# IGBO CATHOLIC COMMUNITY (ICC) NEW YORK, AT ANGELA MERICI PARISH, BRONX, NEW YORK.




## SUNDAY BULLETIN: 3RD SUNDAY IN ORDINARY TIME (YEAR B) SUNDAY, JANUARY 24, 2021

**HYMNS:**

| | |
|---|---|
| **ENTRANCE:** | **LEE M DINWENU, ABIARA M…..** |
| **OFFERTORY:** | **WETANU IHE ONYINYE DI MMA** |
| **CONSECRATION:** | **ANYI NA ARIO GI CHINEKE NNA** |
| **COMMUNION:** | **UCHE CHUKWU** |
| **POST COMMUNION:** | **O SACRAMENT MOST HOLY!** |
| **DISMISSAL:** | **MMA MMA CHINEKE** |

**EKPERE MMEGHE**

Chineke ji ike nile di ndu ebighebi, biko, anyi na-ario Gi, na-eduzi omume anyi n’uzo o ga-amasi Gi; ka anyi juputa n’ezigbo oru n’aha nke Nwa Gi I huru n’anya. Onye Gi na Ya di ndu na-achi…

**IHE OGUGU NKE MBU ewetara n’Akwukwo Onye Amuma Jona. 3:1-5, 10**

***Isi Okwu: Ndi Ninive juru ajo omume***

Okwu Onyenweanyi biakwutere Jona nke ugboro abuo si: “Bilie gaa nnukwu obodo ahu bu Ninive. Zie ha ozi a M ga-ezi gi” Jona ewee kwado gawa Ninive; dika Onyenweanyi si gwa ya. Ninive bu nnukwu obodo buru oke ibu. O na-ewe abali ato igafe ya. Jona bidoro njem o ji agafe nnukwu obodo ahu. O gala ije otu ubochi na-ekwu si: “So iri ubochi ano ka o foro tupuu a laa Ninive n’iyi.” Ndi Ninive ewee kwere na Chineke. Ha kara na onye o bula ga-ebu onu, biakwa yiri uwe mkpe, ma onye ukwu ma onye nta. Mgbe Chineke huru ihe ha mere n’itughari n’uzo ojoo ha, ihe ahu O bara na mba ga-eme ha ewee wute Ya n’obi nke ukwuu. O mekwaghi ha ihe ahu.

Okwu nke Oseburuwa.
Ekele diri Chukwu.

**ABUOMA NA AZIZA YA**

***Aziza: Biko Onyenweanyi, kuziere m uzo Gi.***

1. Biko Onyenwe m, mee ka m mara uzo Gi. Kuziere m okporo uzo Gi. Duziwe m n’ezi okwu Gi; kuziwekwara m n’ihi na I bu Chineke na Onye Nzoputa m. Aziza
2. Onyenweanyi, cheta na nnukwu obi ebere na obi oma Gi bidorori na mbu. Onyenweanyi, were obi oma gi cheta m n’ihi idi mma Gi. Aziza
3. Onyenweanyi di mma, biakwa kwuba aka Ya oto. Otu a ka O si egosi ndi njo uzo. O na-edute ndi umeala n’ezi omume, biakwa na-akuziri ha uzo Ya. Aziza.

**IHE OGUGU NKE ABUO ewetara n’Akwukwo Ozi Mbu Pol degara ndi Korint.**

***Isi Okwu: Odi di uwa nke a gaha agafere***

Umunna m, isi okwu m bu nke a: Oge foduuru anyi di mkpumkpu. Bido ugbu a gawa, ndi ji nwanyi, ha biri ka ndi na-alughi nwunye. Ndi na-akwa akwa, ha nodu ka ha akwaghi akwa. Ndi na-añuri oñu, ha nodu ka ha añurighi. Ndi na-agbaso aku na uba na ihe uto nke uwa nke a, ha agafela oke n’ihe ha ji ihe nke uwa eme. N’ihi na odidi uwa nke a anyi no n’ime ya gaha-agafere.

Okwu nke Oseburuwa
Ekele diri Chukwu.

**ALELUYA**

Aleluya, aleluya!! Alaeze Chineke di kwa nso; chegharianu kwerenu n'Ozioma. Aleluya!!!

**OZIOMA Mark 1: 14-20**

***Isi Okwu: Chegharianu, ma kwerekwanu n'Ozioma***

Ma mgbe e tinyesiri Jon n'ulo mkporo, Jesu biara na Galili na-ekwusa Ozioma Chineke, si: "oge ezuola, ochichi Chineke dikwa nso; chegharianu kwerenu n'Ozioma." Mgbe O na-aga n'uzo Osimiri Galili, O huru ndi oku azu abuo, Saimon na Andru nwanne ya, ka ha na-awunye ughu ha na mmiri. Jesu wee si ha: "Bianu so M n'azu, M ga-eme ka unu buru ndi na-akuta mmadu dika e si akuta azu." Ngwa ngwa ha wee hapu ihe nile ha ji egbu azu, soo Ya. Mgbe O gatukwuru n'ihu, O huru umunne abuo, Jemis na Jon, umu Zebedi ka ha no n'ugbo, na-edozi ihe ha ji egbu azu. Ngwa ngwa O wee kpoo ha. Ha wee hapu nna ha Zebedi n'ugbo, ya na ndi oru e goro ego wee soo Ya n'azu. Jesu na ndi na-eso uzo Ya wee biarue n'obodo Kapanom. N'ubochi izuike sonu, Jesu banyere n'ulo nzuko ha, na-ezi ihe. Uzo O si akuzi nkuzi wee tu ndi nile nuru olu Ya n'anya; n'ihi na O na-ezi ha ihe ka onye nwere ike, o bughi dika ndi Ode-akwukwo.

Ozioma nke Oseburuwa.
Otito diri Gi Kristi.

**EKPERE NHUNYE**

Onyenweanyi, biko, mee ka onyinye ndi a buru ihe ga-aso Gi inaranu. Meekwa ka aja anyi na-achu doo anyi aso, bia wetara anyi nzoputa, site na Kristi Onyenweanyi.

**EKPERE ANATACHAA ORIRI NSO**

Chineke ji ike nile, biko, mee ka amara Gi, nke na-enye ndu na-edu anyi; ka anyi wee ñuria n'onyinye Gi oge nile. Site na Kristi Onyenweanyi.

